# Ọrịa Ịba ọcha n’anya D

Ozi maka ndị ọrịa nwere ọrịa ịba ọcha n’anya B


## Gịnị bụ Ọrịa ịba ọcha n’anya D?

Ọrịa ịba ọcha n’anya D bụ ọrịa na-efe efe nke na-adị na imeju nke nje ịba ọcha n’anya D akpọbirila dịka (HDV) n’akpata ọrịa ịba ọcha n’anya oke ọrịa ịba ọcha n’anya ana-arịakari. Naanị ndị nwere maọbụ ndị nọ n’ihe ize ndụ ọrịa ịba ọcha n’anya B bụ ndị nwere ike ibute ọrịa ịba ọcha n’anya D, ebe ihe dịka otu n’ime mmadụ iri abụọ na-arịa ọrịa ịba ọcha n’anya nke B nwere ike ibutekwu ọrịa nke D n’otu mgbe.

## Gịnị Mere M Ji Kwesi Ịga Lelee Ahụ M?

Ọrịa ịba ọcha n’anya D nwere ike ikpata mgbagọ n’ọnọdụ n’ike n’ike gaa na mmebi imeju na ọrịa kansa imeju karịa ebu naanị ọrịa ịba ọcha n’anya B. Enwere ụzọ dị iche iche esi agwọ ndị na-arịa ọrịa HBV/HDV iji chịkwaa ọrịa abụọ ahụ n’otu mgbe.

## Gaa Lelee ahụ Ma ọbụrụ:



- I si n’ebe Ọwụwa anyanwụ Europe, n’ebe Etiti Ọwụwa anyanwụ, Mongolia, Pakistan, India, Afrika, Ọdọ osimiri ndị Amazon, maọbụ ebe Etiti Asia
- Ị na-anara ọgwụgwọ maka ọrịa HBV mana ahụ gị anabataghị ya maọbụ na ị lere ahụ ma chọpụta na imeju gị adịghị mma
- Ị na arịa ọrịa mmebi imeju.

## Olee Otú M ga-esi Ele ahụ m?

Dọkịta bụ ọkachamara n’ịgwọ ọrịa imeju gị ga-enwe ike ịtụ nlele ahụ maka ihe ndị na-alụso ọria ọgụ nke anakpọ HDV. Ana-amiritu ọbara ele ya na ọbụ ụzọ esi amalite inyocha onye ọrịa HBV ahụ nke na ariakwa ọrịa HDV. Ọ bụrụ na nlele ahụ nke ihe ndị na-alụso ọrịa ọgụ putara na ịnwere ya, aga-ele gị ahụ HDV RNA ozugbo iji mata nje ọzọ dị gị n’ahu.

## Ọ Bụrụkwanụ Na M Nwere Ọrịa abụọ HBV/HDV n'otu mgbe?

Ndị Dọkịta nwere ike ịtụ alo ka ejiri, ọgwụ pegylate interferon maọbụ hepcludex gwọọ gị, ọ bụ usoro ọgwụgwọ ọhụrụ anabatara na Europe (ndị ọzọ nwekwara ike ịnabata ya ka oge na-aga!), nke na-enye aka ikutu ọrịa ịba ọcha n'anya D nke na-efe efe ma na-egbochi imeju inwe nsogbu. Aka na-eme nyocha maka ọgwụ abụọ ndị ọzọ ka ọ dị ugbu a. Ị nwere ike ịjụ dọkịta gị ma-enwere ụlọ ọgwụ ebe ana-eme nnwàle ọgwụ dị gị nso. Ma ewezuga ịji ọgwụgwọ ọrịa, ibi ndụ dị mma nakwa ịga nlele imeju ahụ gị mgbe ọbụla ga-enye ezigbo aka.

Ụlọ ọrụ na-ahụ maka ịchọpụta Ọgwụgwọ Orịa ịbà ọ̀cha n'anya B bụ ụlọ ọrụ mba nke na-abụghị maka uru na-eme nchọputa na ime ka oha mara maka ọrịa ịba ọcha n'anya B. Ọ mepụtara Hepatitis Delta Connect dịka atụmatụ emebere n'afọ 2016 iji nye ozi na nkwado maka ndị ọrịa ịba ọcha n'anya D metụtara.

**www.hepdconnect.org**